IGBOSCHOLARS INTERNATIONAL JOURNAL OF IGBO SCHOLARSFORUM, NIGERIA Volume 16 No 3, December, 2023 ISSN: 2476-843x

# MMEREME MMEJUPỤTA USORO AGỤMAKWỤKWỌ N'ASỤSỤ IGBO MAKA MMEPE ỌKPỤTỌRỌKPỤ

**Si n'aka**

**Gloria Ngozi Ugbor**
Department of Arts Education/Centre for Igbo Studies,
University of Nigeria,
Nsukka
ugbor.gloria@unn.edu.ng
**08067280506**

**Chinelo Rophina Obichukwu**
Department of Linguistics & Nigerian Languages
Alex Akwueme Federal University
Ndufu-Alike Ikwo Ebonyi State Nigeria
chinelorophina99@gmail.com **+2347081321908**

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya na mmereme mmejupụta usoro agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka mmepe ọkpụtọrọkpụ. Mbụnuche nchọcha a bụ ịmata mmeremme mmejupụta usoro agụmakwụkwọ n'asụsụIgbo bụ nke ga- eme ka ihe ọmụmụ asụsụ Igbo bụrụ ihe ga- eweta mmepe ọkpụtọrọkpụ. Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji wee mee nchọcha a. Onye nchọcha gbasoro usoro nkọwa sọvee wee mee nchọcha ya. E ji usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta ndị nkuzi asụsụ Igbo dị iri asatọ na ise e ji mee nchọcha. Ngwa e jiri mee nchọcha a bụ njụmaza bụ nke ihe e depụtara na ya dị iri na isii (16) n' ime nkeji abụọ. Maka inyocha ngwa nchọcha, ndị nkụzi

abụọ na ngalaba amụmamụ Igbo na otu onye nkụzi na-akụzi na ngalaba measurement na evaluation lebara anya na ya, bụ ndị si na ngalaba mahadum nke Naịjiriạ Nsukka. Ndị nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.75. E jiri ntụcha mini, ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa ajụjụ nchọcha. Nchọcha e mere gosiri na ọrụ ndị nkuzi n'izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ gụnyere ịhụ na ndị nkuzi asụsụ Igbo bụ ndị nwere ọgụgụ isi gbasara asụsụ Igbo, omenaala na nka, na ndị nkuzi gbasoro usoro nkuzi kwesiri iji nyefe ụmụ akwụkwọ amamihe, nka, agwa na ntọala niile a tụrụ anya na ndị ọzọ. Nchọcha ọzọ gosikwara na akamgba na- egbochi ndị nkuzi izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ gụnyere enyeghị ndị nkuzi ọzụzụ gbasara ihe ndị ha kwesiri ikuzi tinyere usoro na nka ha ga- agbaso, eweghị ndị nkuzi nwere ọgụgụ isi gbasara asụsụ Igbo, omenaala na aka nka, enyeghị ndị nkuzi nkwado kwesiri dịka ngwa nkuzi nakwa ihe agbamume, ndọghachi azụ ọmụmụ asụsụ Igbo na- esite na ndọrọndọrọ ọtọgrafị, na ndị ọzọ. Onye nchọcha tụtara alo mkpa ọ dị ndị Gọvmentị ịhụ na ndị nkuzi gbasoro usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ ga- agbado ụkwụ n'omenaala iji zipụta ndịna na nhazị ga- enye aka igbo mkpa na ọchịchọ obi ndị mmadụ ma nyekwa ndị obodo ohere isonye kwado agụmakwụkwọ, maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Usoro agụmakwụkwọ, mmereme mmejupụta usoro agụmakwụkwọ, nkuzi na Ọmụmụ asụsụ Igbo, mmepe ọkpụtọrọkpụ.

## Mkpọlite

Kọrịkulum /usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ bụ usoro ihe ọmụmụ a haziri ahazi na amamihe nwata na- anata n'ụlọakwụkwọ iji tozuoke ma kwụdosieike na mmadụ. N'echiche Onwuachu (2017), kọrịkulum bụ usoro ihe ọmụmụ a haziri ahazi e ji enye nwata ihe ọzụzụ n'ụlọakwụkwọ maka inweta mgbanwe n'agwa, ntọala, mmepụta maka ntowanye nke onwe nke onwe na ọha obodo. Agụ (2019) kọwara kọrikulum dịka amamihe, agwa na nka mmadụ na-anata site n'ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ. Agụ gara n'ihu kọwaa na kọrikulum dịka usoro ihe ọmụmụ a haziri ahazi n'ụlọakwụkwọ bụ nke mmebere ya dị atọ gụnyere ihe ọmụmụ kpọm kwem, mmeremme dị iche iche e ji emepụta ihe ọmụmụ n'usoro n'usoro mgbazinye ma ọ bụ ntụziaka. Ihe nchọcha a gbadoro ụkwụ na mmeremme e ji emejupụta usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ dịka o si gbasata ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ mahadum. Mmejupụta usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ bụ mmeremme niile e ji ezipụta ihe ọmụmụ a haziri ahazi na klasi site na mgbakọta aka nke onye nkuzi, ndị ọmụmụ, ndị na- ahazi ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ, ndị nne na nna tinyere mmekọrịta n'esite na ngwa nkuzi, ebe a na-eme ọmụmụ na gburugburu ọmụmụ. Na mmeremme mmejupụta usoro ihe ọmụmụ kọrikulum, onye nkuzi bụ isi a hụrụ kwaba okpu ma ọ bụ onye ozi pụtara ihe. Nke a na- egosi na adimire mmejupụta usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ na nweta mbunuche ihe ọmụmụ bụ naanị mgbe onye nkuzi hụrụ na e nwere ezi mmekọrịta n'etiti ụmụ akwụkwọ, ndị na- ahazi agụmakwụkwọ na gburugburu.

Adimire mmeremme mmejupụta kọrịkulum/usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ n'ogo afọ iri abụọ na otu bụ ihe dị mkpa maka inweta ebumnobi mmepe ọkpụtọrọkpụ. Ndị otu United Nation (2015), wepụtara ebumnobi iri na asaaa gụnyere ikpochapụ ogbenye, ibelata agụ, inweta ahụike, inweta ohere agụmakwụkwọ na ihe ndị ọzọ bụnke ga- adị ọkpụtọrọkpụ. Nke a na- egosi n'inweta ebumnobi ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu gbadoro ụkwụ n'iji ezi mmeremme mmejupụta kụziere ụmụ akwụkwọ bụ

nke ga- enyere ha aka inweta nka na amamihe a tụrụ anya maka mmepe ọkpụtọrọkpụ. N'ihi nke a, ka onye nchọcha ji lebaa anya ịmata ọrụ onye nkuzi n'izipụta emeremme mmejupụta usoro ihe ọmụmụ asụsụ Igbo, tinyere uru ọ bara maka mmepe ọkpụtọrọkpụ.

## Nsogbu Nchọcha

Mbunuche agụmakwụkwọ na mba ụwa niile n'ogo senchuri iri abụọ na otu bụ ịhụ na e nwetara agụmakwụkwọ ga- eweta mmepe ọkpụtọrọkpụ. Inweta mbunuche mmepe ọkpụtọrọkpụ site n'ọmụmụ asụsụ Igbo gbadoro ụkwụ n'adimire nzipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo/ kọrịkulum n'ebe ịkwalite amamihe, nka na mmepụta maka nkwụdosike adịmụmma onwe ụmụ akwụkwọ ma ọ bụ onye gụchara akwụkwọ, enwem ike ịrụsi ọrụ ike, mmekọrịta na nkwalite ọkwa akụnụba. Ọ bụ ihe dị mkpa ịmata na ndị nkuzi ezi ọnọdụ pụtara ihe n'ebe nzipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ dị. Ka osila dị, a hụtara na ụmụ akwụkwọ mere ihe ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum akwụdosighị ike n'onwe ha, akwụdosighị ike na ọrụ nka, nakwa asụsụ Igbo, nke pụtara ihe na- agbaghị mbọ n'ịkwalite ọnọdụ akụnụba, nakwa ịchọgharị ọrụ Bekee bụ nke ọtụtụ na- agbagharị maka ya ruo taa. Ọnọdụ ọjọọ, ụmụaka mere ihe ọmụmụ asụsụ Igbo na ogo mahadum na- enweta onwe ha, eweghị anya ma ọ bụ na ha anataghị ntọala amamihe na nka ndị Igbo kwesiri ka ọ bụ na ndị nkuzi emejupụtaghị kọrikulum ihe ọmụmụ asụsụ Igbo nkw ọma. Nke a mere onye nchọcha ji lebaa anya ịmata ọrụ dịrị onye nkuzi na nzipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ/ korikulum n'asụsụ Igbo, maka ụmụaka ịgbaso ụzọ a tụrụ anya n'ịnata ọdịnala, amamihe, ntọala, na nka kwesiri maka mmepe ọkpụtọrọkpụ.

## Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha aka a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha.

1. Kedu ọrụ ndị nkuzi n'izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ?
2. Kedu akamgba na- egbochi ndị nkuziizipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ?

## Mmeremme mmejupụta kọrikulum/usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ

Mmeremme mmejupụta kọrikulum/usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo bụ ihe dị oke mkpa n'ogo agụmakwụkwọ niile, tụmadị n'ogo mahadum maka ịzụpụta ụmụ akwụkwọ nwere ntụkwasiobi nke onwe tinyere nkwụdosike. Kọrikulum, dịka onye nchọcha si kọwabu na mbụ, bụ ihe ọmụmụ na amamihe agụmakwụkwọ a ahaziri ahazi maka inyefe ya n'aka ndị ọmụmụ maka ntowanye a na- ahụ anya, inweta ọgụgụ isi dị mma, na nkwalite mmụọ na mmekọrịta onye ọ bụla natara ya bụ ihe ọmụmụ. Kọrikulum ọ bụla na- enwe mbunuche ihe ọmụmụ, ndịna na usoro amamihe ọmụmụ. Nke a mere Roy (2019) hụta kọrikulum ka amamihe, agwa na nka a haziri ahazi a na- enyefe n'aka ndị ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ. N'aka nke ọzọ, mmeremme mmejupụta kọrikulum bụ izipụta kpọm kwem usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ iji hụ na e nwetara mgbanwe n'agwa na- apụta ihe n'etu onye ahụ si eche echiche, enwe mkpalite mmụọ na mmasị n'ihe ọ na- eme. Nka n'ụdị nke ya gbasara etu mmadụ si ejikọta ụbụrụ, ụkwụ, aka na ahụ ya niile iji mepụta ihe ndị a na- ahụ anya. Uru ndị nkuzi bara n'ebe nzipụta mmeremme mmejupụta kọrikulum karịrị akarị.Nke a na- egosi na onye nkuzi bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'ebe inyefe na izipụta ihe ọmụmụ kọrikulum dị. Mmeremme mmejupụta kọrikulum ahụ onye nkuzi na- ezipụta gụnyere; ịhazi na idepụta ihe ọmụmụ, inye ihe agbamume, iji usoro na nka kwesirizipụta ihe ọmụmụ, ịhazi ụmụ akwụkwọ na- eme ihe ọmụmụ na klasi, izipụta atụmatụ

mmụgharị ọmụmụ, izipụta usoro nwale dabara adaba, ịgbado anya n'ogo amamihe ndị ọmụmụ, izipụta usoro nnwale dabara adaba, ịgbado anya n'ogo amamihe ndị ọmụmụ, ịhụ na e nwere ezi mmekọrịta na mkpakọrịta n'etiti ndị nkuzi na ụmụkawụkwọ, iji ngwa nkuzi dị iche iche hụ na e nwetara ebumnobi agụmakwụkwọ,

Ọ bụ ihe dị mkpa ịmata n'izipụta mmeremme mmejupụta kọrikulum a na- adị ire mgbe ọ gbadoro ụkwụ n'ebumnobi ndị obodo, ọdịnala na omenaala tinyere usoro nhazi mmekọrịta kwesiri ekwesi. Nke a na- egosi na onye nkuzi Igbo izipụta mmeremme mmejupụta kọrikulum/usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo n'ogo mahadum, pụtara onye nkuzi ahụ iji ezi usoro, nka na nhazi kwesiri nnyefe ụmụ akwụkwọ ntọala, amamihe na nka niile kwesiri n'asụsụ Igbo. Nke a gụnyere ime ka ụmụ akwụkwọ na- eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo bụrụ akwa akwụrụ n'ebe nka asụsụ Igbo dị dịka nka ọnụnụ, okwukwu, ọgụgụ na odide dị. Agbo (2021) kọwara na nke a gụnyere onye nkuzi Igbo ime ka ụmụ akwụkwọ mata ihe gbasara ụtọasụsụ, agụmagụ na omenaala nke ọma tinyere ime ka ụmụ akwụkwọ mụta ihe gbasara ọrụ aka dị iche iche ndị Igbo ji biri. Agbo gara n'ihu rutukwa aka na izipụta emereme mmejupụta kọrikulum/usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo n'ogo mahadum ga- adị ire ma ọ bụrụ na ọ bụ onye nkuzi mara ihe gbasara asụsụ Igbo na omenaala tinyekwara ụzọ ọ ga- esi nyefe ya n'aka ụmụ akwụkwọ.

Nke a mere Ume (2021) ji kọwaa na kọrikulum ọmụmụ asụsụ Igbo zuru oke bụ nke nwere ntọala n'omenaala Igbo. Omenaala Igbo bụ ụzọ ebimndụ ndị Igbo nke gbadoro ụkwụ n'asụsụ ha, amamihe, ọdịnala, nkwenye, ọrụ nka, iwu nke mmebere ya bụ ihe a na- ahụ anya na nke a naghị ahụ anya (Ulodiaku, 2021). N'ịkwado echiche a, Uba (2021), kọwara na emereme mmejupụta kọrikulum/usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo tụmadị n'ogo mahadum bụ mmereme niile kwesiri onye

nkuzi Igbo ga- esite n’ezi mmekọrịta, ngosi, agbamume na mkpalite mmụọ nyefe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n’aka ụmụ akwụkwọ maka inweta amamihe, nka na ezi agwa a tụrụ anya. Nke a bụ maka na agụmakwụkwọ mahadum bụ nke e ji ahazi ọdịnihu gbasara ọnọdụ agụmakwụkwọ, nchọcha, amamihe maka igbo mkpa nke onwe, ọha obodo na ịkwalite mmepe ọkpụtọrọkpụ.. Ka o sila dị, nzipụta mmereme mmejupụta kọrikulum/usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n’asụsụ Igbo bụ nke a naghị adị ire oge ụfọdụ n’ihi ihe ndị na- echere ya aka mgba. N’ogo agụmakwụkwọ ọ bụla, e nwere ihe ndị na- echere ya aka mgba. (Iloha (2018) kọwara na n’ogo mahadum, n’ihe ndị na-echere izipụta mmereme mmejupụta kọrikulum/usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ aka mgba gụnyere enweghị ngwa agụmakwụkwọ, nhụtara ndị obodo n’ebe agụmakwụkwọ dị, mpụ na aghụghọ n’ule, enyeghị ndị nkuzi ọzụzụ kwesiri, tinyere ụdị ndịị na- ahazi agụmakwụkwọ. Iloha gara n’ihui kọwaa na ngwa agụmakwụkwọ ebe a gụnyere mmadụ dịka ndị nkuzi nakwa ngwa e ji akụzi ihe. Isife (2019) kwadoro echiche a site n’ịkọwa na iwe ndị nkuzi na- etozughị etozu n’ụdị nzere, ndị na- enweghị ọgụgụ isi na nka kwesiri, ndị na- enweghị mmasị n’ọrụ nkuzi na-enmyeaka n’ịdọghachiazụ nzipụta mmereme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ. N’aka nke ọzọ, enweghị ngwa nkuzi na-adọghachi ọmụm azụ tụmadị ngwa e ji eme ihe ọmụmụ gbasara nka ndị Igbo.

Ihe ọzọ bụ nsogbu nye nzipụta mmereme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ bụ nhụtara ndị obodo n’ebe agụmakwụkwọ dị. Ọtụtụ obodo bụ ndị na- enweghị mmasị n’ịkwado na ịkwalite ọnọdụ agụmakwụkwọ, kama mmasị ha dị n’igosi ọkwa akụnụba na ihe enwemenwe ndị ọzọ tinyere ichi ọtụtụ echichi. Na nkọwa Ubaka (2020), mpụ na aghụghọ n’ule bụ otu ihe na- emetụta nzipụta mmereme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ. Ọnọdụ ọjọọ a na- eweta etinyeghị uchu na nkuzi na ọmụmụ n’ụlọakwụkwọ, abịachighị akwụkwọ anya na agwa ndị ọzọ ruru inyi. Ubaka gara n’ihu kọwaa na - enyeghị ndị nkuzi

ọzụzụ so adọghachi nzipụta kọrikulum azụ. Na nkọwa Ubaka, ọ bụ site n'ọzụzụ ndị nkuzi ka ha si amata mkpa ọ dị inyefe amamihe, agwa na nka kwesiri tụmadị ka o si gbasata ọmụmụ asụsụ Igbo maka nkwụdosi ike nke onwe, inwe ezi ebimndụ, nkwalite mmekọrịta na ọdịnala, inwe mmụọ agbambọ/ịdị uchu ga- enyeaka n'ibelata ogbenye, inweta otito na mmepe ga- adị ọkpụtọrọkpụ.

Mmepe ọkpụtọrọkpụ (SDGS- Sustainable Development Goals) bụ atụmatụ na iwu usoro mmepe nke United Nation wepụtara ka o bido n'afọ 2016 bụ nke nwere mgbasiụkwụ n'atụmatụ ebumnobi mmepe ọgbaraọhụrụ(MDGS- Millenium Development goals) bidoro n'afọ 2000 – 2015. Mmepe ọkpụtọrọkpụ bụ usoro iwu a haziri ahazi ga- enyere mmadụ aka inweta ebumnobi mmepe ugbu a na- emebighị ihe okike ọ bụla iji hụ na- enweghị ihe mgbochi n'inweta ebumnobi mmepe nke mmadụ n'oge ọdịnihu. N'echiche Ubaka, mmepe ọkpụtọrọkpụ bụ mmepe na- ahụ na nkwalite e nwere n'ụzọ ebimndụ mmadụ tata agaghị eweta ihe mgbochi na nkwalite ụzọ ebimndụ ndị na-etolite etolite. N'ịga n'ihu, Ubaka kọwara na mmepe ọkpụtọrọkpụ ọkpụrụkpụ ụzọ ihe atọ gụnyere mmepe ichekwaba, nkwalite gburugburu mmadụ, ọkwa akụnụba na mmekọrịta. Ebumnobi mmepe ọkpụtọrọkpụ bụ igbo mkpa chere mba ụwa n'ihu, bụ nke dị iri na asaa gụnyere inye mmadụ niile ohere nhatanha, ichekwaba gburugburu mmadụ na ala ebe ihe okike dị, ịhụ na onye ọ bụla nwetara udo na agamnihu, ịchụpụ ụbịam/ogbenye site n'ịkwalite ọkwa akụnụba, igbo mkpa na ịkwalite mmekrịta mmadụ site site n'ọnọdụ agụmakwụkwọ, ahụike, nchekwaba, mmekọrịta, inye ohere inweta ọrụ, tinyere inwe nlekọta gbasara mgbanwe ihu igwe (climate change) na nchekwaba gburugburu mmadụ(environmental protection).

N'ịga n'ihu, Eme (2020), kọwara na ebumnobi mmepe ọkpụtọrọkpụ bụ igbo mgba ihe akamgba chere mba ụwa n'ihu dịka ogbemye, mgbanwe ihu igwe, ọgba aghara, ịgbakwasa ụkwụ ma

kwalite ebumnobi ndị e nwetara n'oge MDGS. Okoro (2020) kọwara na e nwere ihe ndị na- echere nweta ebumnobi mmepe ọkpụtọrọkpụ dịka mmebi gburugburu, ịkpa oke, enweghị ọzụzụ na ihe ndị ọzọ. Nke a na- egosi na tupu a ga- ezipụta usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ nweta mmepe ọkpụtọrọkpụ, na ndị na- ahazi ihe usoro agụmakwụkwọ, ndị gọvmentị, ndị nkuzi, ụmụ akwụkwọ, ruo nan ne na nna nwere ọrụ dịrị ha ga- arụ, kama na nke onye nkuzi kachasị wee pụta ihe na nzipụta mmeremme mmepụta usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ. Nke a bụ maka na onye nkuzi ka ọ dịrị ịgbado ụkwụ n'omenaala wee zipụta mmereme mmepụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ. Nke a mere na agụmakwụkwọ ka adị ire mgbe a na- esite nay a nyefe ụmụ akwụkwọ nkwenye na usoro ebimndụ ha, dịka o si gbasata ọdịnala, nka na ndị ọzọ. N'ihi nke a, onye nchọcha ga- achọ ịmata ọrụ ndị nkuzi n'izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ, maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ.

**Usoro Nchọcha**

Ụdị nchọcha ọmụmụa bụ usoro sọvee nkọwa. Nworgu (2006) hụtara usoro sọvee nkọwa dịka usoro na- akọwa isiokwu, agwa ma ọ bụ ihe a na-ahụta gbasara ndị e ji eme nchọcha n'usoro n'usoro, n'agbakọnyeghị ma ọ bụ iwepu ihe ọ bụla n'ihe a na-ahụta anya oge ahụ a na-eme ya bụ nchọcha. Onye nchọcha hụtara ụdị nchọcha a, dịka ihe dabara n'isiokwu nchọcha ya, ebe ọ bụ na nchọcha a nwere mmasị n' ịmata etu e si ezipụta mmereme mmejupụta usoro agụmakwụkwọ n'asụsụ igbo maka mmepe ọkpụtọrọkpụ. Ndị e ji mee nchọcha kpọm kwem bụ ndị nkụzi na- akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ mahadum na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa dị narị isii na ise. Ndị a ga- eji mee nchọcha kpọm kwem bụ ndị nkuzi dị iri asatọ na ise bụ nke onye nchọcha gbasoro usoro nhọrọ dị ọtụtụ gụnyere usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta. Ngwa e jiri mee nchọcha a bụ njụmaza bụ nke ihe edepụtara na ya dị iri na isii (16) n' ime nkeji abụọ. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha

data a na-akpọ Cronbach's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.75. E jiri ntụcha miini na ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa nchọcha. Ihe e guzobere maka ịnweta ihe nchọcha bụ nke gbadoro ụkwụ n'usoro liketị ma ihe mpụtara ya bụ nke a KKI – kwere kwesie ike, KE – kwere ekwe, JA – jụrụ ajụ, JKK – jụrụ kpam kpam bụ nke e nyere akara 4,3,2,1. Ọsịsa ọ bụla e nwetara pekarịrị 2.50 gosiri ekweghị ekwe, ebe ọsịsa nke ruru akara 2.50 ma ọ bụ karịa gosiri ịguzosi ike kwem ma ọ bụ kwere ekwe bụ nke gbadoro ụkwụ otu e si wee hazie ajụjụ nke ọ bụla.

## Nchọpụta

Ihe e nwetara site na nchọcha ka e zipụtara na tebul abụọ dịka o si gbasata ajụjụ nchọcha atọ onye nchọcha guzobere.

**Ajụjụ nchọcha 1**: Kedu ọrụ ndị nkuzi n'izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ?

**Tebul 1: Mini echiche ndị nkuzi n'ịmataọrụ ndị nkuzi n'izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ.**

**Mkpoko Miin - 2.82**

Tebul nke mbụ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi na ọrụ ndị nkuzi n'izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dịasatọ nke bidoro 1 – 8. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọ bụla tinyere mkpoko miin bụ 2.82karịrị kraiterịọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụọrụ ndị nkuzi n'izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ.

## Ajụjụ nchọcha 2

1. Kedu akamgba na- egbochi ndị nkuziizipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ?
2. **Tebul 2: Mini echiche ndị nkuzi n 'ịmataakamgba na- egbochi ndị nkuzi izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ**

| **Ọnụọgụ** | **Ndịna** | **Miin** | **Ndịpụn'izugbe** | **Mkpebi** |
|---|---|---|---|---|
| | **Akamgba na- egbochi ndị nkuzi izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ** | | | |
| 9 | Enyeghị ndị nkuzi ọzụzụ gbasara ihe ndị ha kwesiri ikuzi tinyere usoro na nka ha ga-agbaso. | 2.68 | .71 | Kwere ekwe |
| 10 | Eweghị ndị nkuzi nwere ọgụgụ isi gbasara asụsụ Igbo, omenaala na aka nka. | 2.67 | .63 | Kwere ekwe |
| 11 | Enyeghị ndị nkuzi nkwado kwesiri dịka ngwa nkuzi nakwa ihe agbamume. | 2.56 | .61 | Kwere ekwe |
| 12 | Ịji ihe gbasara ndọrọndọrọ ọtọgrafị dọghachi ọmụmụ asụsụ Igbo azụ. | 2.65 | .60 | Kwere ekwe |
| 13 | Agbasoghị otu usoro wee depụta mkpụrụokwu Igbo. | 2.72 | .68 | Kwere ekwe |
| 14 | Ịkwado mpụ na aghụghọ n'ule. | 2.70 | .61 | Kwere ekwe |
| 15 | Ndị na- achikwaba ụlọakwụkwọ enweghị ọgụgụ isi ịhazi ihe gbasara nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo nke ọma. | 2.50 | .55 | Kwere ekwe |
| 16 | Emeghị ka ndị ọha obodo mata uru nkwado agụmakwụkwọ bara karịa ichi echichi dị iche iche. | 2.75 | .68 | Kwere ekwe |
| | **Mkpoko Miin -** | | | **2.68** |

Tebul nke abụọ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n’ịmata akamgba na- egbochi ndị nkuziizipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n’asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị asatọ nke bidoro 9- 16. Akara miin e nwetara n’ajụjụ nke ọ bụla tinyere mkpoko miin bụ 2.68 karịrị kraiterịọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụakamgba na- egbochi ndị nkuziizipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n’asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ.

## Mkpokọta Nchọcha

Site na nchọcha e mere, ihe ndị a bụ ọkpụrụkpụ ihe a chọpụtara: 1.Ọrụ ndị nkuzi n’izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n’asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ gụnyere ịhụ na ndị nkuzi asụsụ Igbo bụ ndị nwere ọgụgụ isi gbasara asụsụ Igbo, omenaala na nka, na ndị nkuzi gbasoro usoro nkuzi kwesiri iji nyefe ụmụ akwụkwọ amamihe, nka, agwa na ntọala niile a tụrụ anya, maka nkwụdosik, e, iwepụta ọnọdụ nkuzi na ọmụmụ mmekọrịta ga- eme ka ụmụ akwụkwọ sonye n’ihe ọmụmụ asụsụ Igbo nke ọma, iji ngwa nkuzi niile kwesiri maka ime ka ọmụmụ asụsụ Igbo dị ire, ịkpọ ụmụ akwụkwọ njem nlereanya ebe ha ga- ahụta ebe a na- emepụta ọrụ nka dị iche iche n’ala Igbo, ịnata ọzụzụ mgbe na mgbe ga- enyere ha aka ịmata etu ha ga- esi na- ezipụta usoro na nka nkuzi ha, ịnye ụmụ akwụkwọ nzumoke nke onwe maka nkwụdosike, ịhụ na ụlọakwụkwọ na ndị obodo nwere ezi mmekọrịta maka ịkwado agụmakwụkwọ na ndị ọzọ.

2.Akamgba na- egbochi ndị nkuzi izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n’asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ gụnyere enyeghị ndị nkuzi ọzụzụ gbasara ihe ndị ha kwesiri ikuzi tinyere usoro na nka ha ga- agbaso, eweghị ndị nkuzi nwere ọgụgụ isi gbasara asụsụ Igbo, omenaala na aka nka, enyeghị ndị nkuzi nkwado kwesiri dịka

ngwa nkuzi nakwa ihe agbamume, iji ihe gbasara ndọrọndọrọ ọtọgrafị dọghachi ọmụmụ asụsụ Igbo azụ, agbasoghị otu usoro wee depụta mkpụrụokwu Igbo, ịkwado mpụ na aghụghọ n'ule, ndị na- achikwaba ụlọakwụkwọ enweghị ọgụgụ isi ịhazi ihe gbasara nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo nke ọma, emeghị ka ndị ọha obodo mata uru nkwado agụmakwụkwọ bara karịa ichi echichi dị iche iche na ndị ọzọ.

## Mkparịtaụka

Ihe a chọpụtara gosiri na ọrụ ndị nkuzi n'izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ gụnyere ịhụ na ndị nkuzi asụsụ Igbo bụ ndị nwere ọgụgụ isi gbasara asụsụ Igbo, omenaala na nka, na ndị nkuzi gbasoro usoro nkuzi kwesiri iji nyefe ụmụ akwụkwọ amamihe, nka, agwa na ntọala niile a tụrụ anya, maka nkwụdosik, e, iwepụta ọnọdụ nkuzi na ọmụmụ mmekọrịta ga- eme ka ụmụ akwụkwọ sonye n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo nke ọma, iji ngwa nkuzi niile kwesiri maka ime ka ọmụmụ asụsụ Igbo dị ire, ịkpọ ụmụ akwụkwọ njem nlereanya ebe ha ga- ahụta ebe a na- emepụta ọrụ nka dị iche iche n'ala Igbo, ịnata ọzụzụ mgbe na mgbe ga- enyere ha aka ịmata etu ha ga- esi na- ezipụta usoro na nka nkuzi ha, ịnye ụmụ akwụkwọ nzumoke nke onwe maka nkwụdosike, ịhụ na ụlọakwụkwọ na ndị obodo nwere ezi mmekọrịta maka ịkwado agụmakwụkwọ na ndị ọzọ.Nchọcha a yitere nchọcha Agu (2019) naUbaka (2020) bụ ndị kwenyere nandị nkuzi bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ, ma nke a ka ha na- eme site n'inwe ọgụgụ isi kwesiri gbasara asụsụ Igbo, tinyere iji ezi nka na usoro dị mma zipụta ya.

Nchọpụta ọzọ gosiri naakamgba na- egbochi ndị nkuzi izipụta mmeremme mmejupụta usoro ọmụmụ agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụtọrọkpụ gụnyere enyeghị ndị nkuzi ọzụzụ gbasara ihe ndị ha kwesiri ikuzi tinyere usoro na

nka ha ga- agbaso, eweghị ndị nkuzi nwere ọgụgụ isi gbasara asụsụ Igbo, omenaala na aka nka, enyeghị ndị nkuzi nkwado kwesiri dịka ngwa nkuzi nakwa ihe agbamume, iji ihe gbasara ndọrọndọrọ ọtọgrafị dọghachi ọmụmụ asụsụ Igbo azụ, agbasoghị otu usoro wee depụta mkpụrụokwu Igbo, ịkwado mpụ na aghụghọ n'ule, ndị na- achikwaba ụlọakwụkwọ enweghị ọgụgụ isi ịhazi ihe gbasara nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo nke ọma, emeghị ka ndị ọha obodo mata uru nkwado agụmakwụkwọ bara karịa ichi echichi dị iche iche na ndị ọzọ. Nchọcha a dabara na nke Eme (2020), na Uba (2021) bụ ndị kọwara na ndọrọndọrọ ọtọgrafị tinyere agbasoghị otu usoro wee depụta mkpụrụokwu Igbo so n'ọkpụrụkpụ ihe dọghachiri ọmụmụ asụsụ Igbo azụ.

## Mmechị na ịtụ alo

Inyocha mmereme mmejupụta usoro agụmakwụkwọ n'asụsụ Igbo bụ ihe dị oke mkpa maka ịhụ na o wetara mmepe ọkpụtọrọkpụ.

N'ihi nke a, onye nchọcha tụtara alo ndị a:

1. Ndị Gọvmentị ga- ahụ na usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ ga- agbado ụkwụ n'omenaala iji zipụta ndịna na nhazị ga- enye aka igbo mkpa na ọchịchọ obi ndị mmadụ ma nyekwa ndị obodo ohere isonye kwado agụmakwụkwọ.
2. Ndị nkuzi ga- agba mbọ ịhụ na nzipụta mmeremme mmepụta usoro ihe ọmụmụ agụmakwụkwọ bụ nke ga- enye ụmụ akwụkwọ ohere isonye n'ihe ọmụmụ a na- eme.
3. Ndị na- ahazi ihe ọmụmụ kọrịkulum ga- agbado anya ịhụ na nzipụta ga- agbanye mgbọrọgwụ n'ọmụmụ nka na inweta ọgụgụ isi tosiri.
4. A ga- esite n' ọgbakọ kọnfurenci na wọkshọpụ mee ka ndị nkuzi asụsụ Igbo mara ihe ndị ha kwesiri ime ka nkuzi ha ghọrọ ihe dị ọkpụ tọrọ ọkpụ.

5. A ga-ahazi ọgbakọ ebe a ga-anọ mee ka ndị ọha obodo tụmadị ndị ụlọakwụkwọ dị n'obodo ha mara ụzọ dị iche iche ha ga- esi enye aka wee kwalite agụmakwụkwọ n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo maka inweta mmepe ọkpụ tọrọ ọkpụ

**Edensibịa**


Agbo, T. (2021). Examination malpractices as a tool that hinders curriculum implementation. *African Journal of Educational Foundation. 7 (2) 124- 145.*

Agu, k. (2019). Curricuum implementation: Challenges and prospects. Retrieved from http://www.google.com.

Eme, R. (2020). Curriculum implementation and cultural factors. *Journal of Cultural Studies*. 8, 33 – 54.

Iloha. H. J. (Challenges of implementing Igbo curriculum in schools. *Journal of Educational research*, 2 (1) 121-145

Isife, T. (2019). Teacher's role in curriculum implementation. *Journal of Technical and Science Education. 2 (1) 93 – 114.*

Nworgu, B. G. (2006). *Educational research, basic issues and methodology*. Nsukka, Enugu: University Trust Publishers.

Okoro. T. (2020). Teachers factor in curriculum implementation. *Interdisciplinary journal of African and Asian Studies* 1(1) 65 – 79.

Onwuachu, O. (2017). Challenges fo refocusing classroom assessment for sustainable national Development. *African Journal of Educational Foundation. 7 (2) 67- 92.*

Roy, M.L. (2019). Curriculum implementation as a tool for sustainable development. Retrieved from http://www.google.com.

Uba, K. (2021). Curriculum Development and implementation Process. *Journal ofEducational research*, 2 (1) 77- 92

Ubaka, D. (2020). Curriculum implementation practices in Nigeria; A way forward. *Interdisciplinary journal of African and Asian Studies* 2(1) 44 – 61.

Ulodiaku, P. (2021). The role of school administrators in curriculum implementation. *Journal of Technical and Science Education. 2 (1) 34 – 51*.

Ume, E. (2021). Curriculum implementation and globalization challenges. Retrieved from http://www.google.com.